# Chapter Eighteen

## NTỤLEKỌRỊTA OLUMBA NANKA NA IGBO IZUGBE

**Dr. Chinweude Nwakaego Ugochukwu**
Department of Igbo, African & Asian Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
*ugochukwuchinweude@ymail.com*

**Ụmịedemede**
*Asụsụ ọ bụla e nwere n'ụwa nwere olumba dị iche iche e ji asụ ya ma nwekwaa asụsụ Izugbe ya. Asụsụ Igbo, dị ka otu n'ime nnukwu asụsụ atọ e nwere n'obodo a bụ Naijiria (Igbo, Awụsa na Yoruba) nwere olumba dị iche iche ma nwezie Igbo Izugbe nke e jiri mara obodo niile na-asụ Igbo. Edemede nchọcha a lebara anya n'olumba Nanka iji chọpụta myiri na ndịiche dị n'etiti ya na Igbo Izugbe. Mmepe na oke apụmije emeela ka olumba Nanka na-alaghachi azụ. Ọtụtụ ndị Nanka anakwaghị ẹnwe mmasị ịsụ asụsụ ha. Ngwakọrịta olumba Nanka na olumba ndị ọzọ ha na ha gbara agbataobi na-eme ka olumba Nanka na-anwụnyụ anya. Ebumnobi isite na nchọcha a mee ka a mata maka olumba Nanka ma sitezie n'ụzọ dị otu a mee ka asụsụ Igbo na-agbanye mgbọrọgwụ dị ka asụsụ ndị ọzọ. Ụdị nchọcha e mere bụ nchọcha kesọvee. E sitere n'igba ajụjụọnụ na akwụkwọ ajụjụ nchọpụta nweta ngwaọrụ e jiri mee nchọcha. A gbasoro usòro nkowapụta na ntụcha nchọpụta. A chọpụtara na ọnụọgụgụ ụdaume dị n'olumba Nanka na nke Igbo Izugbe bụ otu, ebe e nwere ndịiche bụ n'etu ụdaume si abanye na mwube mkpụrụokwu n'asụsụ abụọ a na-atụle; e nwere mgbochiume abụọ dị n'Igbo Izugbe adịghị n'olumba Nanka nwekwaa mgbochiume abụọ dị n'olumba Nanka adịghị n'Igbo Izugbe tinyere na e nwekwara ndịiche dị n'etu mgbochiume ụfọdụ si abanye na mwube mkpụrụokwu n'olumba Nanka. A chịkọtara ihe niile e mere na nchọcha a ma tụnye aro otu a ga-esi site n'ileba anya n'olumba dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo mee ka asụsụ Igbo nweta ezigbo ọnọdụ dị ka ndị ogbo ya bụ asụsụ Hausa, Yoruba nakwazị asụsụ Bekee.*

### 1.1 Okwu Mmalite

Ọ bụ ihe doro anya na obodo ọ bụla nwere olumba e jiri mara ya nke mere na a na-esite n'asụsụ mmadụ mara obodo onye ahụ si. E wezụga asụsụ, ọ ga-enye mmadụ nsogbu ịkọwapụta echiche ya. Ọbụ naanị mmadụ bụ "anụ" pụrụ iche maka inwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Crystal (1971:175) kọwara asụsụ dị ka "ụdaolu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya mebere". Nkọwa a gosiri na ọ bụ mkpa mmadụ nwere ime ka a mata ihe o bu n'obi kpalitere asụsụ.

Dị ka nchọpụta siri gosi, e nwere ihe dị ka narị asụsụ ise na iri abụọ na isii n'ime Naijiria (Ethnologue,2018). N'ime asụsụ ndị a niile, atọ kachara pụta ihe. Ha bụ: Igbo, Hausa na Yoruba. Otu njirimara asụsụ bụ na asụsụ na-enwe olumba na oluonye n'ime ya. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olumba mejuputara ya nke ndị ọkammụta ụfọdụ dị ka Ikekonwu (1985) kwuru na e kere ya uzọ isii; ka e si asụ ya na obodo ebe na-asụ ya gụnyere:

1. Igbo ndị ọwụwa anyanwụ Naija
2. Igbo ndị ọdịda anyanwụ Naija

Scanned with CamScanner

3. Olundị mgbago ugwu
4. Igbo nnọnetiti
5. Igbo Cross River
6. Olundị Ọhaji/Egbema

Site na nkewasị a, a chọpụtara na ndị na-asụ. "Igbo Nnọnetiti" gụnyere obodo ụfọdụ n'Anambara, Imo nakwa ụfọdụ obodo dị n'ime steeti Abịa. Olumba Nanka dabara n'Igbo Nnọnetiti n'ihi na ọ bụ otu n'ime obodo e nwere na steeti Anambra. "nchịkọta ọnụ nke a chịkọbara olumba Igbo Izugbe, dị ka Ezeumudo (1985) siri kọwaa bụ "nchịkọta ọnụ nke a chịkọbara olumba iche iche, nke a pụtaziri na o nweghị mba tosiri ịsị na Igbo Izugbe bụ olu nke ndị be ha ka e jiri mebe ya". Anozie (1999:29) kwukwara sị,

> E nwere ike iwere otu asụsụ kwụụrụ onwe ya ma ọ bụ otu n'ime olumba mebere asụsụ ọ bụla jiri ya mebe Igbo Izugbe. Ihe dị mkpa bụ ileba anya were asụsụ ma ọ bụ olumba nke mmadụ niile nwere mmasị na ya (jiri ya mere asụsụ izugbe).

Dị ka Anozie siri kọwaa, asụsụ Izugbe esighị n'elu daa, kama, ọ bụ site n'olumba dị iche iche ka e si achịkọba ya. Nghọta dị otu a na-egosi na ọ dị nnukwu mkpa ilebara olumba dị iche iche mebere asụsụ Igbo anya ka e wee site na ha mee ka asụsụ Igbo na-eto otu o kwesịrị. Nke a sọ kpalie mmụọ nwanchọcha ime nchọcha gbasara olumba obodo ya site n'ịtụlekọrịta ya na Igbo Izugbe. Edemede nchọcha a, lebara anya n'ihe gbasara olumba Nanka ma tụlekọrịta ya na Igbo Izugbe. N'ime nke a, a kọwara maka obodo Nanka na otu o siri malite. Nchọcha a lebakarị anya n'ihe gbasara ụdaasụsụ dị ka o si metụta mkpụrụ ụdaasụsụ mgbochiume na ụdaume. A tụlekọrịtara otu ha siri dị n'olumba Nanka na Igbo Izugbe na kwa ka ha si abata na mwube mkpụrụokwu.

## 1.2 Mgbakwasa Isiokwu

E wezuga na asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kachara pụta ihe na Naijirịa ma bụrụkwa otu n'ime asụsụ e ji eme nchọcha n'ogo dị elu, a garaghị enwe ike ime nchọcha n'isiokwu a bụ "Ntụlekọrịtaa olumba Nanka na Igbo Izugbe". Isiokwu a gbakwasara ụkwụ kpọmkwem n'asụsụ Igbo. Ọbịbịa ụka na agụmakwụkwọ ndị ọcha bịara n'ala Igbo anya ewetala mgbanwe dị iche iche tụmadị n'ebe asụsụ dị. O doro ewu na ọkụkọ anya na asụsụ bụ otu n'ime omenala e ji amata agbụrụ ọ bụla, mana e lee anya n'obodo a bụ Naijiria taa, a ga-achọpụta na oke agụmakwụkwọ na mmepe dị iche iche emeela ka agbụrụ ụfọdụ, o kachasị agbụrụ Igbo na-eleda asụsụ ha anya ma na-agbasi mbọ ike iwelite asụsụ agbụrụ ọzọ ga, tụmadị asụsụ Bekee. Ọ bụghị naanị na Igbo izugbe (ozuluigbọnụ) na-alaghachi azụ, kama nke ka njọ bụ na mperimpe asụsụ dị iche iche mejuputara Igbo Izugbe na-anwụzi n'ike n'ike. Ekene dịrị Chi-ukwu kere ndị Igbo ma kenyekwa ha asụsụ e jiri mara ha, dịkwara Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (SPILC) bụ ndị fooro ntutu taa, sị na asụsụ Igbo agaghị ada ma ya fọdụ ịnwụ anwụ. Ememnchọcha a gbadoro ụkwụ na mkpụ ndị hụrụ asụsụ Igbo n'anya na-eti wee lebaa anya n'olumba Nanka dị ka otu n'ime olumba dị iche iche mejupụtara Igbo Izugbe iji chetara ụmụ Igbo na ọ ga-abụ ihe ihere na ọkụ nna nna ha gụnyere ha n'aka ga-anyụnahụ ha. Olumba ọ bụla bụ onyinye pụrụ iche Chineke nyere ha iji nwee mmekọrịta, ya mere e jiri hụta ya dị ka ihe dị oke mkpa ileba anya n'olumba Nanka maka na a na-esi n'ụlọ mara mma wee pụọ ezi.



Scanned with CamScanner

## 1.3 Nnyocha Edemede

### 1.3.1 Ihe e Derela Gbasara Olumba

Ndị odee dị iche iche enyela nkọwa dị iche iche banyere olumba. Hornby (1974:238) kpọrọ olumba "oluasụsụ". O kwuru na ọ bụ ụdị asụsụ nwere ọtụtụ okwu e depụtara n'usoro na mkpọpụta otu ndị bi n'akụkụ obodo ji akparịta ụka". Ọkammụta a gbaliri na nkọwa o nyere gbasara olumba (oluasụsụ). O kwenyere na olumba bụ asụsụ nke ndị bi n'otu akụkụ obodo ji akparịta ụka, mana otu ihe mgbagwoju anya nkọwa ya wepụtara bụ na olumba nwere ọtụtụ okwu e depụtara n'usoro na mkpọpụta ha. N'uche nwanchọcha, olumba (oluasụsụ) na-apụtakarị ihe n'ekwurekwu (asụrụasụ) karịa n'ederede. Johnson (1979:134) sị na olumba bụ "otu mpaghara n'ime asụsụ". Ọ bụ ezie na nkọwa ya dị nkenke mana o doro anya n'ihi na o mere ka a ghọta na olumba akwụrụghị onwe ya, kama ọ gbadoro ụkwụ n'otu nnukwu asụsụ. Nkọwa ya zuru oke n'ihi na e lebaa anya n'asụsụ dị ka Igbo na Bekee, a ga-achọpụta na ha nwere olumba dị iche iche e ji asụ ha. Ọtụtụ olu e ji asụ asụsụ Igbo mere na otu onye ọcha a kpọrọ S. C. Schon tara ahụhụ lara ya n'iyi. Nke a mere mgbe ọ bịara n'ala Igbo ikuzi maka ụka wee si otu a nwee mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo tụmadị ka o siri gbasata iji asụsụ Igbo kụziere ndị Igbo ụka. O bu n'uche na iji asụsụ Igbo kụziri ha ụka na akwụkwọ ga-eme ka ha kara ghọta ihe a na-akụziri ha.

Mana mgbe ọ gara ịmụ ya bụ asụsụ Igbo, ọ maghị na Igbo ọ na-amụ bụ naanị otu n'ime ụdị oluasụsụ Igbo nwere. Ka ọ tasịrị ahụhụ mụchaa "asụsụ" ahụ, bịazie ka o jiri ya kuzibe ihe ka ọ chọpụtara na ọtụtụ n'ime ndị o ji asụsụ ahụ akụziri ihe anaghị aghọta ihe ọ na-asụ. Ọ bụ mgbe ahụ ka o jiri mata na asụsụ Igbo nwere imirikiti olu e ji asụ ya. Schon n'akwa arịrị ya, na-akọwa na oluasụsụ Igbo nke o tinyere uchu mụọ dị nnukwu iche n'ebe nke a na-asụ ma na-aghọtakwa na mpaghara obodo ebe ụfọdụ o ji ya akụzi ihe. Ọ dịghị mgbe o jiri gbata ya n'obi na e nwere ọtụtụ oluasụsụ dịwagaara onwe ha iche: Ọ gara n'ihu taa onwe ya ụta nke ukwu na o meghị nchọpụta pụrụ iche gbasara asụsụ nke gaara inyere ya aka n'ọrụ ọ nọ n'ime ya (Anozie 1999:18). Ọnọdụ nwa Bekee a nwetere onwe ya na ya bụ nke na-eweta ike ọgwụgwụ n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ ma bụrụkwa ihe o ji dị mkpa na e mere nchọcha n'olumba dị iche iche, debaa ha n'akwụkwọ ma gosikwa ebe nke ọ bụla si dị iche n'Igbo Izugbe. Onye ọzọ kọwakwara ihe gbasara olumba bụ Hudson (1980:20). Na nkọwa ya, ọ kpọrọ olumba "oluasụsụ" nke ọ sịrị na ọ malitere na Griki (Greek) mgbe e nwere ọtụtụ olu dị iche iche e ji asụ klasịkal Griisi (classical Greece). Ọ gara n'ihu kwuo na olu ndị a niile dịgbado iche iche n'ụdị mkpụrụokwu na ahịrịokwu. Nkọwa nke a dịtụ iche n'ihi na o mere ka a mata mgbe oluasụsụ dị iche iche malitere n'ụwa. Nkọwa ya zipụtakwara na olumba dị iche iche na-enwe ndịiche n'ebe mkpụrụokwu na ahịrịokwu ha dị.

West (1981:74) kọwara olumba dị ka "naanị otu ụzọ pụrụ iche e si asụ asụsụ; nke naanị otu ndị bi n'otu akụkụ obodo". West hụtara olumba dị ka otu ụzọ e si asụ asụsụ; nke pụtara na otu asụsụ nwere ike inwe ụzọ dị iche iche e si asụ ya. Ezeumudo (1985:2) kọwara olumba dị ka "olu ndị ahụ dịgasị iche iche mba dị iche iche ji asụ otu ụdị asụsụ". Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụghị otu olu ka e ji asụ otu asụsụ. N'uche ya ọ bụ olu ndị a ka e ji amatakwanụ mba dị iche iche na-asụ otu asụsụ ahụ. Oruchalu (1987:158) na nkọwa nke ya sị na e nwere olumba dị iche iche n'ime asụsụ Igbo. Ọ gara n'ihu kwụo na ọbụna obere obodo dị iche iche dị n'otu mpaghara nwechara olumba nke ha nke dị iche n'ebe nke ndị ọzọ dị. Ihe kpatara nke a bụ na mmadụ gbasasịrị agbasasị n'oge gboo nke mere na o siri

ike ịchịkọta otu asụsụ mba ọ bụla nọọrọ onwe ha ma nwekwa "asụsụ" e jiri mara ya. Nke mere na e nwere ndịiche n'okwu ụfọdụ, ụdaume nakwa mgbochiume. Ọ kọwara na ebe mgbago ugwu Nsụka, Ikwere, Abakaliki na ala Igbo ndị dị na steeti Bendel bụ ebe asụsụ Igbo na-esi ike ighọta dị ka asụsụ Igbo. O kwukwara na olumba dị iche iche na-ezipụta ndịiche n'ebe dị iche iche. E nwere ndịiche na mkpụrụokwu na ahịrịokwu, ndịiche n'ụdaolu, akpaalaokwu, atụmatụokwu na ndịiche n'ilu, ebe ndị ọzọ a na-enwe ndịiche bụ ụdaume, mgbochiume na mgbakwụnye dị iche iche dg. Yule (1996:227) sị na olumba na arụtụkarị aka n'ebe ụtọasụsụ, akpaokwu na mkpọpụta okwu dị. Nkọwa nke a gbasara olumba na-ewepụta ndịiche dị na nghọta ụfọdụ okwu nakwa mkpọpụta ha. Nke a gosiri na olumba dị iche iche na-ewepụta ụzọ dị iche iche e si akpọpụta otu okwu, ndịiche na-adị na nsupe ha nakwa nghọta ha. Nke a metụtara ndịiche dị n'etiti olumba na Igbo Izugbe nke a ga-arụtụ aka tutu e dechaa isi nke abụọ a.

Anozie (1999:21) sị,

> Oluasụsụ nwere ike inye echiche na ọ bụ asụsụ ndị ime obodo, nke mkpọpụta okwu, ma ọ bụ ọtụtụ ndịiche dị n'okwu e depụtara n'usoro nke ndị na-asụ ya bikọrọ ọnụ n'otu ogbe. Mana ebe ọ bụ na ndị niile bikọrọ ọnụ na-enwe ike ighọtasị onwe ha n'agbanyeghị ụmụ obere ndịiche ahụ na-adịgasị, ihe ọ na-egosi bụ na ndịiche ahụ na-adị n'olumba anaghị egbochi ndị ahụ bikọrọ ọnụ na-asụ ya bụ asụsụ ighọta onwe ha. Ihe nke a na-egosi bụ na oluasụsụ anaghị akpa oke ala. Ndịiche n'otu oluasụsụ na nke ọzọ na-abasa abasa metụsịa ihe dị ka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ, mkpọpụtaokwu, ahịrịokwu na ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

Olaoye (2002:154) tinyesoro nghọta n'ihe ndị ọzọ kwuru gbasara olumba. Nkọwa ya gosiri na olumba bụ ụdịdị dị iche iche nke otu asụsụ nwere o peka mpe otu ụzọ ma ọ bụ ụzọ dị iche iche ha siri yie onwe ha nke mere ka ha dị iche n'ụdịdị asụsụ ndị ọzọ. Site n'echiche Olaoye wepụtara na nkọwa ya, a chọpụtara na olumba dị iche iche nke otu asụsụ nwere o peka mpe otu ụzọ ma ọ bụ ụzọ dị iche iche ha siri yie onwe ha nke mere ka ha dị iche n'ụdịdị asụsụ ndị ọzọ. Site n'echiche Olaoye wepụtara na nkọwa ya, a chọpụtara na olumba dị iche iche nke otu asụsụ ga-enweririị ihe jikọtara ha ọnụ nke ga-egosi na ndị niile na-asụ ya na-asụ otu asụsụ. Ndịiche a na-apụtakarị ihe n'ụtọasụsụ na mkpọpụta. Oge ụfọdụ onye amaghị asụsụ nke ọma na-enwe mgbagwoju anya imata ma asụsụ ọ bụ olumba ka ọ bụ asụsụ n'onwe ya. Nkọwa Hornby (2000:320) na Bullon (2003:430) na-ekwu otu ihe banyere olumba. Nkọwa ha dabara n'ihe ụfọdụ odee ndị ọzọ kwuru maka olumba. Ha kwekọrịtara na olumba abụghị asụsụ kama ọ bụ otu ụzọ e si asụ otu asụsụ ma bụrụkwa nke e jiri mara ndị si otu mpaghara obodo. Nkọwa ha gosikwara na a na-enwe obere ndịiche n'etiti olumba dị iche iche dị ka o si metụta mkpụrụokwu na mkpọpụta okwu.

Ngoesi (2000:2) sị,

> Obodo dị iche iche n'ala Igbo ji olu nke ha asụ Igbo. N'ihi nke a, asụsụ Igbo nwere olumba dị iche iche. Iji maa atụ, asụsụ Igbo nwere olu Ọnịcha, Owere, Ịka, Anịọcha, Ukwuanị, Nsụka, Wawa, Abakaliki, Ọka, Ibeku, Ngwa dg.

Ihe Ngoesi na-akọwa bụ na obodo dị iche iche e nwere n'ala Igbo ji olu nke ha asụ Igbo nke wetere na e nwere olumba dị iche iche dị ka o gosiri n'ọmụmaatụ ya. Nke a bụ eziokwu n'ihi na e lebaa anya n'obodo dị iche iche dị n'ala Igbo, a ga-achọpụta na olu ha ji asụ Igbo abụghị otu. Site na nkọwa ndị odee nyere maka olumba, o doro anya na asụsụ ọ bụla

nwere olumba dị iche iche e ji asụ ya. A bịa n'asụsụ Yoruba dị ka Anozie (1999:21) siri kọwaa e nwere ọtụtụ olumba, ụfọdụ n'ime ha gụnyere: Egba, Ekiti, Ibado, Ife, Ijebu, Ilaye, Ondo, Owo na Uyo. Ụdị olu dịgasị iche iche dị ka ndị a dị n'ime Yoruba bụkwa ụdị nchọpụta Williamson (1965:21) mere mgbe ọ chọpụtara na e kerichara asụsụ Ijọ n'oluasụsụ dịgasị iche iche. O kwenyere n'ihe Hocket (1958:21) kwuru sị na oluasụsụ soro mebe ihe omimi gbagwojuru anya dị n'asụsụ.

Nchọpụta niile a e mere banyere ihe ndị odee derela gbasara olumba mere ka o doo anya na olumba bụ anaka asụsụ. Nke a pụtara na ọ bụ olumba dị iche iche e kpokọbara ọnụ bụ asụsụ. Nkọwa Geddes na Grosset (2006:66) dabara n'ihe West kwuru banyere olumba. Nkọwa ha gosiri na olumba abụghị asụsụ n'onwe ya, kama ọ bụ otu ụzọ e si asụ otu asụsụ, nke pụtara na otu asụsụ nwere ike inwe ụzọ dị iche iche e si asụ ya nke a kpọrọ olumba ma ọ bụ oluasụsụ na nchọcha a. Fisher (2006:CD) na-akọwa na olumba bụ ụdịdị otu asụsụ nke na-enwe ndịiche n'ụtọasụsụ, mkpọpụta ma ọ bụ akpaokwu n'ebe ụdịdị ọzọ nke otu asụsụ ahụ dị. Ọ kọwakwara na oluasụsụ nke a na-asụ n'otu mpaghara obodo bụ olumba; oluasụsụ nke ndị gụdebere akwụkwọ otu ebe na-asụ n'etiti onwe ha ma ọ bụ ndị nwere otu ụdị aka ọrụ na-asụ bụ "oluasụsụ ọgbọ". O mekwara ka a mara na ụfọdụ oluasụsụ bụ ndị a na-ede ede ebe ụfọdụ bụ naanị ọsụsụ ka a na-asụ ha.

Na nkọwa nke ya, Bernard (2006:CD) na-ekwu na oluasụsụ bụ ụdịdị otu asụsụ nke ndị bi n'otu mpaghara obodo a maara amara na-asụ. N'ụzọ dị mfe iji ruọ ọrụ, oluasụsụ nwere ike ịpụta ụdịdị nke otu asụsụ nke pụrụ iche n'ebe asụsụ Izugbe nke asụsụ ahụ dị.
Na nkenke Fisher na Bernard na-ekwu na olumba bụ asụsụ otu mpaghara nke na-ezipụta, ndịiche n'ebe ụtọasụsụ, akpaokwu nakwa mkpọpụta okwu dị. Ihe ọzọ pụtara ihe na nkọwa ha bụ na e nwere ụdị olumba dị iche iche nke pụtara na ọ bụghị naanị asụsụ a na-asụ n'otu akụkụ obodo bụ olumba kama asụsụ ọ bụla e jiri mara otu dị iche iche dị ka otu ndị gururu akwụkwọ n'otu ebe, ma ọ bụ otu ndị na-arụ ọrụ aka bụkwazị oluasụsụ. Ha kọwakwara na olumba ụfọdụ bụ nke e dere ede ebe ụfọdụ bụ naanị ọsụsụ ka a na-asụ ya.

### 1.3.2 Ihe e Derela Gbasara Igbo Izugbe

Ida Ward (1941:65) hụtara asụsụ Izugbe dị ka asụsụ ga-enyere ya aka na njem nke ọ na-eme n'ala Igbo ma e wepụ ndị bi n'ọhịa n'ime Afrịka. Oge o mechara njem dị ya ọkụ n'obi, o kpebiri na oluasụsụ Owere bụ "Central dialect." Site n'ihe ọ chọpụtara, ọ kọwara na ọ bụ Owere bụ obodo kara dị n'etiti obodo niile na-asụ Igbo. Ọ bụghị naanị nke a, ọ gara n'ihu kọwaa na obodo ụfọdụ dịdebere ugwu na-aghọta oluasụsụ Owere nke ọma tụmadụ obodo Nsụka, Eke, Udi na Ọkpatu karịa obodo Ọnịcha dị n'okpuru Provinsi Ọnịcha. Ogbalu (1967:23) kpọrọ Igbo Izugbe "official dialect" ebe ndị ọzọ kpọrọ ya "central dialect". Ọ sị na nke a mere o ji esiri ụmụ akwụkwọ ndị anọbeghị ebe a na-asụ ya ike. Ọ kọwakwara na 'official dialect' a bụzị nnọnetiti nke ọtụtụ oluasụsụ n'akụkụ ala gbara Ụmụahịa, Bende-Ụzụakoli gburugburu.

N'ebe ọzọ dị ka oge na-aga n'ihu n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ, Ogbalu (1974 [illegible] na Igbo Izugbe bụ Igbo nke onye ọ bụla bụ onye Igbo nwere ike ịghọta, dee, ma suo [illegible] ebe niile a na-asụ Igbo. Nke a bụ eziokwu n'ihi na n'agbanyeghị n'akụkụ Igbo ọ bụla ebe a nọrọ suọ Igbo Izugbe, a na-aghọta ya nke ọma dị ka oge na-aga.
Green (1972:120) sị na ihe a kpọrọ Igbo Izugbe bụ "Central Igbo" na Bekee ma bụrụ nke fọdụrụ ntakịrị ihe o zuo akụkụ Owere na Ụmụahịa niile ọnụ tinyekwara Ọhụhụ, bụ nke e jirila na-ede Igbo ọtụtụ afọ gara aga. Ọ kwukwara na ọ malitere n'onwe ya na-abụghị site n'iwu nke gọọment ma ọ bụ mmachibido nke olundị ndị ọzọ, kama ọ bụ nwayọọ nwayọọ ka ndị odee na

ndị mbipụta akwụkwọ jiri nabata ya ma tinyekwara ndị ọchịchị mmụta maka ụlọ akwụkwọ. O gara n'ihu kwuo na Mahadum nke London ebidolarị were Igbo Izugbe nke a kpọrọ Central Igbo site n'isi mbido n'ulo G.C.E, "O"Level n'akwụkwọ ajụjụ Igbo. Ọ sịrị na e ji Igbo Izugbe kuziri ndị agha ndị gara agha mba ụwa nke abụọ mgbe ndị ọcha ka na-achị ọtụtụ mba dị n'ime Afrịka.

Edwards (1976:38) kọwara na Igbo Izugbe bụ nke a na-atụkwasa n'elu ụdịdị asụsụ ndị ọzọ... n'ihi na ọ na-ehichapụ ndịiche ndị ọzọ na-eweta usoro ozurumba maka nzikọrịta ozi, na n'ihi na arụmọrụ ya na-abụkarị na mmemme ọhanaeze ka a na-atụ anya ya, ya na n'aka ndị no n'ọchịchị. Edward na-akọwa na Igbo Izugbe bụ asụsụ pụrụ iche n'ihi na ọ na-ewepụ ndịiche dị iche iche olumba na-ewebata n'asụsụ ma na-ewebata usoro nke zuru mba ọnụ bụ nke e ji enwe mmekọrịta n'etiti mpaghara dị iche iche dị n'ala Igbo.

Oruchalu (1987:158-160) sị na Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo ewepụtala uzo ibelata nsogbu n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ ma bụrụkwa nke kacha mfe na nghọta ebe ọ bụ na a na-aghọta ya ebe niile. Ọ sị na ihe a kpọrọ asụsụ a nke onye ọ bụla ga-aghọta bụ Igbo Izugbe. O kwuru na ọ bụ site n'olumba dị iche iche ka e siri wepụta Igbo Izugbe nke pụtara na ọ bụ asụsụ ọhanaeze na-aghọta nke ọma n'ihi na ọ bụ site n'olumba dị iche iche ka e siri chịkọba okwu ndị mebere Igbo izugbe. Ọzọ kwa, okwu ndị mebere Igbo Izugbe bịara imejupụta olumba ọ bụghị imebi ya emebi, ya bụ na ọ naghaghị mpaghara dị iche iche ịsụ olumba e jiri mara ha. Kiu na Rodman (1988:259) sị na asụsụ Izugbe bụ asụsụ ụlọọrụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị ka ụlọọrụ gọọment na ụlọọrụ na-ahụ maka mmụta na nzikọrịta ozi ji arụ ọrụ. Ọ bụ asụsụ zuru ọha ọnụ ma bụrụkwa nke a na-akụziri ndị na-abụghị ndị nwe asụsụ ahụ. Ha gara n'ihu kwuo na ndị na-asụ olumba dị iche iche na-aghọta ma jirikwa ya na-ede ihe n'ihi na ọ bụ asụsụ ọhanaeze nabatara iji nwee mmekọrịta.

Emenanjo (1991:10) kwuru na Igbo Izugbe bụ "O zulu Igbo ọnụ". Ọ kọwara na ọ dịghị ka olumba bụ nke nwere ebe a na-asụ ya iche. Ngoesi (2000:2) kwadoro ihe Oruchalu kwuru; ọ sị

> Olumba ndị a dị iche iche mere ka ọ na-esiri ndị si n'otu mpaghara ala Igbo ike ịghọtagbado ihe ndị si na mpaghara ọzọ na-asụ. Olumba ndị a mekwara ka asụsụ Igbo na-agbagwoju anya na-ahịakwara onye na-abụghị onye Igbo ahụ na nghọta n'ịsụ ya. Ma ugbu a, e sila n'olumba ndị a wepụta olu jikọrọ Igbo dum ọnụ nke a na-akpọ Igbo Izugbe. Ọ bụ Igbo Izugbe ka e ji ede akwụkwọ Igbo dị iche iche ugbu a, werekwa ya na-agbasa ozi.

Ngoesi na-ekwu na mbawanye olumba dị iche iche mere na ndị Igbo si otu mpaghara anaghị aghọta ihe ndị si mpaghara ọzọ na-asụ tinyere na ọ na-esiri ndị na-abụghị ndị Igbo ike ịghọta na ịsụ ya. Ọ bụ ụdị nsogbu a mere na e wepụtara olu jikọrọ Igbo dum ọnụ nke ọ kpọrọ Igbo Izugbe. N'ụzọ dị nke nke Ngoesi mere ka a mata otu Igbo izugbe siri malite.

### 1.3.3 Ntụlekọrịta Olumba na Igbo Izugbe

Maazị Ezeumudo (1985:19) sị na

> ...Igbo Izugbe bụzị nchịkọta ọnụ a chịkọbara olumba dị iche iche. Nke a pụtaziri na o nweghị mba tosiri ịsị na Igbo Izugbe ma ọ bụ asụsụ ọ bụla nwerela olu izugbe bụ olu nke ndị be ha ka e jiri mebe asụsụ izugbe ha.

Nkọwa Ezeumudo mere ka ọ dị mfe ma doo anya na ọ bụ olumba dị iche iche mebere Igbo Izugbe. Nke a pụtara na olumba dị ọkpụtọrọkpụ ebe Igbo Izugbe bụ asụsụ a maara mgbe ọ malitere. Olumba bụ olu e jiri mara mpaghara dị iche iche nke pụtara na olumba malitere mgbe mba ahụ n'onwe ya malitere, e nwere ikowa olumba dị ka nwa tote o tokwuru mana asụsụ

izugbe bụ nke malitere mgbe mpaghara dị iche iche malitere inwe mmekọrịta site na nchịkọba a chịkọbara olumba dị iche iche. Ihe ọzọ pụtara ihe n'ebe olumba na asụsụ izugbe dị dị ka ụfọdụ ndị odee kwuru bụ na olumba nwere mpaghara ebe a na-asụ ya mana asụsụ Izugbe bụ nke zuru ọha ọnụ, e nweghị mpaghara na-asụ ya iche kama ọ bụ asụsụ jikọtara mpaghara dị iche iche ọnụ. N'ịkapị okwu ọnụ, asụsụ izugbe dị ka Igbo Izugbe bụ nke jikọrọ Igbo niile ọnụ (unity language), ebe olumba bụ nke na-ekewasị otu agbụrụ dị ka Igbo na mpaghara na mpaghara.

N'iga n'ihu na ntụlekọrịta olumba na asụsụ izugbe, site na nkọwa dị iche iche e lebarala anya, a chọpụtara na asụsụ Izugbe karịrị olumba na nnukwu, nke a pụtara na otu asụsụ na-enwe ọtụtụ olumba dị n'okpuru ya. Ịma atụ: Anozie (1999:20) kọwara na Igbo Izugbe nwere olumba ndị a n'okpuru ya: Olu Udi, olu Ọnịcha, olu Izii, olu Ezeagụ, olu Nsụka, olu Owere, olu Asaba dg.

Ihe ọzọ pụtara ihe gbasara olumba na asụsụ izugbe bụ na olumba dị ka Ezeumudo siri kọwaa na-eme ka a mata obodo ma ọ bụ mpaghara onye na-asụ ya si mana asụsụ izugbe anaghị eme nke a kama ihe asụsụ izugbe na-eme bụ ime ka a mara agbụrụ onye si dị ka agbụrụ Igbo, agbụrụ Awụsa ma ọ bụ agbụrụ Yoruba.

Ọzọ kwa bụ na site na nkọwa Kiu na Rodman, a chọpụtara na olumba bụ olu mpaghara dị iche iche ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha, e jighị ya ede akwụkwọ ma ọ bụ ezikọrịta ozi n'ụlọọrụ ọchịchị nakwa n'ụlọakwụkwọ. Nkọwa ndị odee abụọ a gara n'ihu rụtụ aka na olumba na-apụtakarị ihe n'ekwurekwu ma ọ bụ asụrụasụ mana asụsụ izugbe bụ ya ka e ji ede akwụkwọ, were ya na-akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ, ọ bụ kwa asụsụ ndị ọchịchị ji arụ ọrụ na ngalaba dị iche iche iche dị ka nkọwa ọkammụta abụọ ndị a siri dị.

### 1.4 Nkenke Akụkọala Nanka

Nanka bụ otu n'ime obodo e nwere n'okpuru ọchịchị orumba Nọọtụ n'ime Steeti Anambara. Ọ dị n'okpuru ọchịchị Aguata rue mgbe e keghariri okpuru ọchịchị ụfọdụ dị n'ime Steeti Anambara.Obodo ndị gbara ya gburugburu gụnyere: Agulu, Oko, Ekwulobia, Isuofia,Umuona, Aguluizigbo dg.

Akụkọ e nwetara n'aka ndị a gbara ajụjụọnụ gosiri na o nweghị onye maara kpọmkwem mgbe obodo Nanka malitere na otu o si malite n'ihi na e nwechara ndịiche dị n'akụkọ ndị okenye a gbara ajụjụọnụ kọrọ.

Otu akụkọ e nwetara n'aka ụfọdụ a gbara ajụjụọnụ bụ na otu nwoke a na-akpọ "Udude" bụ ya chọpụtara Nanka. Akụkọ a kọrọ na Udude bụ dinta, na-agagharị n'ọhịa dị iche iche na-achụ nta. Ọ bụ n'otu njem ịchụ nta ya ka o rutere n'ebe a na-akpọ Nanka taa birizie. Ihe mere o jiri biri n'ebe ahụ bụ na ọ chọpụtara na anụ ọhịa dị iche iche bi n'ọhịa ahụ. Ọ malitere ịkọ ugbo n'okirikiri ụlọ ya wee chọpụta na ala ahụ na-eme nri nke ọma. Nke a meziri ka o were ebe ahụ mere ebe obibi. O mechara lụọ nwaanyị nke mụtaara ya naanị otu nwa nwoke ọ kpọrọ aha ya "Nanka". Nanka n'onwe a mechara lụọ nwaanyị mụta ụmụ nwoke isii.

Akụkọ nke abụọ e nwetere n'aka ndị a gbara ajụjụọnụ bụ na "Udude" si Nri (obodo dị nso na Agụlụ) bịa birizie na Nanka. Akụkọ ahụ kọrọ na ọ bụ ọsọ ndụ ka ọ na-agba ka ọ gbanahụ ndị iro ya chọrọ igbu ya na ndị chọrọ iresị ya ndị na-agba ohu. Ọ gbagidere ọsọ malite n'obodo ya bụ Nri wee rute na Nanka ruọ ụlọ biri. Ọ lụrụ nwaanyị mụta otu nwa nwoke ọ kpọrọ "Nanka". Nanka lụrụ nwaanyị mụta ụmụ nwoke isii bụ ndị mebere ogbe isii e nwere na Nanka taa. E nwekwara ụmụ akụkọ ndị ọzọ rụtụkwara aka otu Nanka siri malite ma a gaghị aga n'ihu ileba ha anya ebe ọ bụ na ha edochaghị anya.



Scanned with CamScanner


**1.5 Mkpụrụokwu ụfọdụ na Mkpọpụta ha n'Olumba Nanka na Igbo Izugbe dị k Ajụjụọnụ siri gosi:**

| BEKEE | IGBO IZUGBE | OLUMBA NANKA |
|---|---|---|
| Land | ala | ana |
| Head | isi | ishi |
| Goat | ewu | ehu |
| Tongue | ire | ile |
| Height | elu | enu |
| Body | ahu/aru | ahụ |
| Market | ahịa | af$^{h}$ịa |
| Stomach | afọ | awhọ |
| Wine | mmanya | mmaị |
| Nail/comb | mbọ | mvọ |
| Carry | buru | vuru |
| Food | nri | nni |
| Get up | bilie | binie |
| Proper noun | Ekele | Ekene |
| Proper noun | Ebere | Ebele |
| Wipe/mop | hichaa | f$^{h}$ichaa |
| Fly | fee | f$^{h}$ee |
| Did not | meghị | mehu |
| Three | Atọ | ịtọ |
| Two | abụọ | ịbụọ |
| One | otu | ofu/nnaa/ofuke |

**1.6 Ntụlekọrịta Ụdaume dị n'Olumba Nanka na nke Igbo Izugbe**

**1.6.1 Myiri dị n'Ụdaume Olumba Nanka na nke Igbo Izugbe**

Dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe, e nwekwara ụdaume asatọ n'olumba Nanka. Chaatị ụdaume n'olumba Nanka na chaatị ụdaume e nwere n'Igbo Izugbe bụ otu n'ihi ya naanị otu chaatị ka a ga-ese ebe a.




Chaatị ụdaume Igbo Izugbe/Nanka

### 1.6.2 Ndịiche dị n'Ụdaume Olumba Nanka na nke Igbo Izugbe

Ọ bụ eziokwu na ụdaume dị n'olumba Nanka dị asatọ dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe mana e nwere ndịiche n'etu ụdaume si abata na mkpụrụokwu n'olumba Nanka na etu e si ewebata ụdaume na mkpụrụokwu Igbo izugbe. Site n'ajụjụ ndị e jiri mee nchọcha zara, ha niile kwekọrịtara na e nwere ihe dị iche n'etu ụdaume si abanye na mkpụrụokwu n'olumba Nanka na etu ha si abanye n'Igbo Izugbe.

Ebe ụfọdụ ụdaume /a/ na-abata n'Igbo izugbe, a na-eji /i/ anọchite anya ya n'olumba Nanka.

Ọmụmaatụ:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| abụọ /abʊɔ/ | ịbụọ /ɪbʊɔ/ |
| atọ /atɔ/ | ịtọ/ɪtɔ/ |
| anọ /anɔ/ | ịnọ /ɪnɔ/ |
| asaa /asaa/ | ịsaa /ɪsaa/ |

Nke a pụtakarịsịrị ìhè na mkpọpụta ọnụọgụgụ. Ọzọ, n'izipụta aspeektị njụ nke a na-eji gh + i/ị ezipụta n'Igbo Izugbe a na-eji h+u/ụ ezipụta ya n'olumba Nanka:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| meghị /meɣɪ/ | mehụ /mehu/ |
| bịaghị /bɪaɣɪ/ | bịahụ /bɪahu/ |
| taghị /taɣɪ/ | tahụ /tahu/ |

Ebe ọzọ e nwere ndịiche n'otu ụdaume si abata na mkpụrụokwu n'olumba Nanka bụ n'imepụta tensị ndịnaazụ. A na-eji ụdaume /e/ edochi anya ụdaume /a/ n'Igbo Izugbe iji mepụta tensị ndịnaazụ.

Ọmụmaatụ:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| mee + la = meela | mee + ne = meene |
| jee + la = jeela | jee + ne = jeene |
| tie + la = tiela | tie + ne = tiene |



Scanned with CamScanner

## 1.7 Ntụkọrịta Mgbochiume dị n'Olumba Nanka na nke Igbo Izugbe

| Ụdịdị Mkpọpụta / Ebe Mkpọpụta | Egbugbereọnụ Abụọ | Egbugbereọnụ na Eze | Keanyụrụ | Keazụanyụrụ | Keakpoike | Keakpo Nro | Keegbugbereọnụ na Ọdụakpo | Keeko |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike Ndapụta | p b | | t d | | | k g | kʷ gʷ | |
| Ụdaike Ndakpu | kp gb | | | | | | | |
| Ụdaimi (ụdaike) | m | | n | | ɲ | ŋ | ŋʷ | |
| Ụdachii (ụdaike) | | | | tʃ dʒ | | | | |
| Ụda shii̟ | ɸ β | f v | s z | ʃ | | | | h |
| Ụda rii | | | | | | | | |
| Ụdalii | | | | l | | | | |
| Ụda wayị | | | | | j | | w | |

*Chaatị Mgbochiume Olumba Nanka*

Na chaatị mgbochiume olumba Nanka e nweghị ụda /r/ na /gh/ a na-eji ụda /l/ na /h/ anọchite anya ha dị ka e depụtara na-nkọwa e nyere. E nwere ụda abụọ dị n'olumba Nanka na-adịghị n'Igbo izugbe ha bụ: /ɸ/ [fʰ] na /β/ [wh]. E zipụtara ha n'ọmụmaatụ ndị e jiri kọwaa ndịiche dị n'etiti mgbochiume dị n'olumba Nanka na nke Igbo izugbe.

| Ụdịdị Mkpọpụta / Ebe Mkpọpụta | Egbugbereọnụ Abụọ | Egbugbereọnụ na Eze | Keanyụrụ | Keazụanyụrụ | Keakpoike | Keakpo Nro | Keegbugbereọnụ na Ọdụakpo | Keeko |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike Ndapụta | p b | | t d | | | k g | kʷ gʷ | |
| Ụdaike Ndakpu | kp gb | | | | | | | |
| Ụdaimi (ụdaike) | m | | n | | ɲ | ŋ | ŋʷ | |
| Ụdachii (ụdaike) | | | | tʃ dʒ | | | | |
| Ụda shii̟ | | f v | s z | ʃ | | | ɣ | h |
| Ụda rii | | | r | | | | | |
| Ụdalii | | | l | | | | | |
| Ụda wayị | | | | j | | | w | |

*Chaatị Mgbochiume Igbo Izugbe*

**1.7.1 Myiri dị n'etiti Mgbochiume dị n'Igbo Izugbe na nke dị n'Olumba Nanka**

A ga-ebu uzọ zipụta myiri dị n'etiti mgbochiume dị n'olumba Nanka na Igbo izugbe. Dị ka ọ dị n'Igbo Iizugbe, e nwere mgbochiume ndị a n'olumba Nanka: Ụdaike ndapụta kegbugbere abụọ - /p/ na /b/; keanyụrụ - /t/ na /d/; keakpoime - /k/ na /g/; keegbugbere na akpoime - /kw/ na /gw/. Ọmụmaatụ:

| | Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|---|
| /p/ - | pịa /pɪa/ | pịa /pɪa/ |
| | mpe /mpe/ | mpe /mpe/ |
| | pere /pere/ | pere /pele/ |
| /b/ - | bata /bata/ | bata /bata/ |
| | bee /bee/ | bee /bee/ |
| | bịa /bɪa/ | bịa /bɪa/ |
| | bamie /bamie/ | bamie /bamie/ |
| /t/ - | taa /taa/ | taa /taa/ |
| | tụba /tʊba/ | tụba /tʊba/ |
| | tara /tara/ | tara /tala/ |
| | tinye /tiɲe/ | tinye /tiɲe/ |
| /d/ - | dee /dee/ | dee /dee/ |
| | detu /detu/ | detu /detu/ |
| | die /die/ | die /die/ |
| /k/ - | kuo /kuo/ | kuo /kuo/ |
| | kute /kute/ | kute /kute/ |
| | kunye /kuɲe/ | kunye /kuɲe/ |
| /g/ - | gote /gote/ | gote /gote/ |
| | gụọ /gʊɔ/ | gụọ /gʊɔ/ |
| | gụnye /gʊɲe/ | gụnye /gʊɲe/ |
| /kw/ - | kwere /k$^{w}$ere/ | kwere /k$^{w}$ele/ |
| | kwuo /k$^{w}$uo/ | kwuo /k$^{w}$uo/ |
| | kwuru /k$^{w}$uru/ | kwuru /k$^{w}$ulu/ |
| | kwee /k$^{w}$ee/ | kwee /k$^{w}$ee/ |
| /gw/ - | gwara /g$^{w}$ara/ | gwara /g$^{w}$ara/ |
| | gwee /g$^{w}$ee/ | gwee /g$^{w}$ee/ |
| | gwuo /g$^{w}$uo/ | gwuo /g$^{w}$uo/ |
| | gwọọ /g$^{w}$ɔɔ/ | gwọọ /g$^{w}$ɔɔ/ |

E nwekwara ụdaike ndakpu keegbugbere abụọ /kp/ na /gb/ dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe.

Ọmụmaatụ:

| | Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|---|
| /kp/ - | kpụta /kpʊta/ | kpụta /kpʊta/ |
| | kpaa /kpaa/ | kpaa /kpaa/ |
| | kpụọ /kpʊɔ/ | kpụọ /kpʊɔ/ |
| | kpee /kpee/ | kpee /kpee/ |
| /gb/ - | **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| | gbue /ɓue/ | gbue /ɓue/ |
| | gbaa /ɓaa/ | gbaa /ɓaa/ |
| | gbamgbam /ɓamɓam/ | gbamgbam /ɓamɓam/ |

Dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe e nwere ụdashịị keegbugbere na eze /v/ ụdashịị keanyụrụ /s/, /z/ na /sh/ na keekoakpịrị /h/ n'olumba Nanka.

Ọmụmaatụ:

| | Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|---|
| /v/ - | vọọ /vɔɔ/ | vọọ /vɔɔ/ |
| | vọpụta /vɔpʊta/ | vọfụta /vɔfʊta/ |
| | mvọ /mvɔ/ | mvọ /mvɔ/ |
| /s/ - | **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| | saa /saa/ | saa /saa/ |
| | sụọ /sʊɔ/ | sụọ /sʊɔ/ |
| | see /see/ | see /see/ |
| /z/ - | **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| | zaa /zaa/ | zaa /zaa/ |
| | zie /zie/ | zie /zie/ |
| | zoo /zoo/ | zoo /zoo/ |
| | zụọ /zʊɔ/ | zụọ /zʊɔ/ |
| /ʃ/ - | **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| | nshansha /nʃanʃa/ | nshansha /nʃanʃa/ |
| | ịsha /ɪʃa/ | ịsha /ɪʃa/ |
| /h/ - | **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| | haa /haa/ | haa /haa/ |
| | họrọ /hɔrɔ/ | họlọ /hɔlɔ/ |
| | ohere /ohere/ | ohele /ohele/ |
| | hapụ /hapʊ/ | hafụ /hafʊ/ |

E nwekwazịrị ụdachịị keanyụrụ /tʃ/ na /j/

| | Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|---|
| /tʃ/ - | chọọ /tʃɔɔ/ | chọọ /tʃɔɔ/ |



Scanned with CamScanner

| | |
|---|---|
| chuo /tʃuo/ | chuo /tʃuo/ |
| chere /tʃere/ | chele /tʃele/ |
| chịa /tʃɪa/ | chịa /tʃɪa/ |

/ʤ/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| jụọ /ʤʊɔ/ | jụọ /ʤʊɔ/ |
| je /ʤe/ | je /ʤe/ |

E nwere ụdaimi keegbugbere abụọ /m/, keanyụrụ /n/, keakpo ihu /ny/, keakpoime /n/, keegbugbere na akpoime /nw/ n'olumba Nanka.

Omumaatụ:

/m/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| mmanụ /mmanʊ/ | mmanụ /mmanʊ/ |
| mma /mma/ | mma /mma/ |
| amamihe /amamihe/ | amamihe /amamihe/ |
| mmịmị /mmɪmɪ/ | mmịmị /mmɪmɪ/ |

/n/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| nne /nne/ | nne /nne/ |
| nnu /nnu/ | nnu /nnu/ |
| naanị /naanɪ/ | naanị /naanɪ/ |
| niile /niile/ | nine /nine/ |

/ɲ/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| nyụọ /ɲʊɔ/ | nyụọ /ɲʊɔ/ |
| nyaa /ɲaa/ | nyaa /ɲaa/ |
| nyoo /ɲoo/ | nyoo /ɲoo/ |

/ŋ/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| ṅụọ /ŋʊɔ/ | ṅụọ /ŋʊɔ/ |
| aṅụrị /aŋʊrɪ/ | aṅụrị /aŋʊrɪ/ |
| ṅefe /ŋefe/ | ṅefe /ŋefe/ |

E nwekwara ụdayii kaanyụrụ /y/ na ụdayii keegbugbere na akpoime /w/

Ịma atụ:

/j/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| yọọ /jɔɔ/ | yọọ /yɔɔ/ |
| yie /jie/ | yie /jie/ |
| iyeri /ijeri/ | iyeri /ijeri/ |
| myọ /mjɔ/ | myọ /mjɔ/ |

/w/ -

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| waa /waa/ | waa /waa/ |
| were /were/ | wele /wele/ |
| wuo /wuo/ | wuo /wuo/ |



Scanned with CamScanner

**1.7.2 Ndịiche dị n'etiti Mgbochiume dị n'Igbo Izugbe na nke dị n'Olumba Nanka**

Site n'ajụjụọnụ a gbara ndị mmadụ nakwa akwụkwọ ajụjụ e kesara na ụsa ndị e nwetere, a chọpụtara na e nwere mgbochiume ụfọdụ dị n'olumba Nanka ndị etu ha si abanye na mkpụrụokwu na-adị iche n'etu ha si abanye na mkpụrụokwu n'Igbo Izugbe.

Ọmụmaatụ ha bụ ndị a:

**/p/ -**

| **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| --- | --- |
| pụta /pʊta/ | fụta /fʊta/ |
| pụa/pụọ /pʊa/pʊɔ/ | fụa/fụọ /fʊa/fʊɔ/ |
| pụgodu /pʊgodu/ | fụgodu /fʊgodu/ |

N'ebe a, e jiri /f/ dochie anya /p/ n'olumba Nanka.

**/b/** - Na mkpụrụokwu ụfọdụ n'olumba Nanka a na-eji ụda /v/ na-anọchite anya ụda /b/

Ọmụmaatụ:

| **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| --- | --- |
| bute /bute/ | vute /vute/ |
| bupu /bupu/ | vufu /vufu/ |
| buru /buru/ | vuru /vuru/ |
| bụa /bʊa/ | vụa /vʊa/ |

/g/-N'olumba Nanka dị ka nchọpụta siri gosi, a na-eji ụda /j/ anọchite anya ụda /g/ na mkpụrụokwu ụfọdụ.

Ịma atụ:

| **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| --- | --- |
| gaa /gaa/ | jee /ʤee/ |
| ga-eje /ga-eʤe/ | je-eje /ʤe-eʤe/ |
| ga-eme /ga-eme/ | je-eme /ʤe-eme/ |
| gara /gara/ | jere /ʤele/ |

E ji j + e 'je-' emebe nnyemaka ngwaa tensị ndịnihu n'olumba Nanka kama g + a 'ga-' e ji emebe ya n'Igbo Izugbe. N'olumba Nanka a na-eji ụda /β/ na-anọchite anya ụda /h/ na mkpụrụokwu ụfọdụ n'olumba Nanka.

Ịma atụ:

| **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| --- | --- |
| ahịa /ahɪa/ | af^hịa /aβɪa/ |
| ọhịa /ɔhɪa/ | ọf^hịa /ɔβɪa/ |
| aha /aha/ | af^ha /aβa/ |

A na-eji ụda /ɸ/ anọchite anya ụda /f/ na mkpụrụokwu ụfọdụ

| **Igbo Izugbe** | **Olumba Nanka** |
| --- | --- |
| afọ /afɔ/ | awhọ /aɸɔ/ |
| ọfọ /ɔfɔ/ | ọwhọ /ɔɸɔ/ |
| ụfụ /ʊfʊ/ | ụwhụ /ʊɸʊ/ |

N'olumba Nanka, a chọpụtakwara na e nwere ndịiche n'etu ụda /s/ si abata na mkpụrụokwu. N'okwu ụfọdụ a na-eji ụda, /ʃ/ anọchite anya ụda /s/.

Ịma atụ:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| isi /isi/ | ishi /iʃi/ |
| sie /sie/ | shie /ʃie/ |
| nsị /nsɪ/ | nshị /nʃɪ/ |
| osisi /osisi/ | oshishi /oʃiʃi/ |

Ndịiche ọzọ a chọpụtara bụ na e nweghị ụdarịị /r/ n'olumba Nanka. A na-eji ụdalịị /l/ anọchite anya ya.

Ọmụmaatụ:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| ire /ire/ | ile /ile/ |
| tara /tara/ | tala /tala/ |
| ekereke /ekereke/ | ekeleke /ekeleke/ |
| riri /riri/ | lili /lili/ |
| arụ /arʊ/ | alụ /alʊ/ |

Ọzọ kwa bụ na e nweghị ụda gh /ɤ/ n'olumba Nanka. A na-eji ụda /h/ anọchite anya ya.

Ịma atụ:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| aghụghọ /aɤʊɤɔ/ | ahụhọ /ahʊhɔ/ |
| righi /riɤi/ | rihi /rihi/ |
| meghi /meɤi/ | mehu /mehu/ |
| oghere /oɤere/ | ohele /ohele/ |

A chọpụtakwara ndịiche na mkpụrụokwu ndị a:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| ewu /ewu/ | ehu /ehu/ |
| elu /elu/ | enu /enu/ |
| ala /ala/ | ana /ana/ |
| ekele /ekele/ | ekene /ekene/ |
| bilie /bilie/ | binie /binie/ |

Na mkpụrụokwu nke mbụ n'ọmụmụatụ ndị e zipụtara n'elu, e jiri ụda /h/ dochie ụda /w/ n'olumba Nanka. E jiri ụda /n/ nọchite anya ụda /l/ na mkpụrụokwu ndị ọzọ.

## 1.8 Nchịkọta na Mmechi

A malitere nchọcha site n'ileba anya n'ihe bụ olumba na Igbo Izugbe. A chọpụtara na olumba bụ asụsụ e jiri mara otu mba ebe Igbo Izugbe bụ asụsụ zuru Igbo niile ọnụ. A chọpụtara na ọ bụ olumba dị iche iche mebere Igbo Izugbe. Nchọpụta gosiri na olumba dị ọkpụtọrọkpụ nke bụ

na ọ malitere mgbe mba ọ bụla malitere mana Igbo Izugbe malitere n'ihi mkpa ọ dị inwe mmekọrịta n'etiti mba dị iche iche n'ala Igbo.
E lebara anya na mkpụrụụdaasụsụ ụdaume na mgbochiume n'olumba Nanka wee chọpụta ihe ndị a:

1. Ọnụọgụgụ ụdaume dị n'olumba Nanka na nke Igbo izugbe bụ otu. Dị ka e nwere ụdaume asatọ n'Igbo Izugbe, otu ahụ ka ọ dịkwa n'olumba Nanka. Ebe e nwere ndịiche bụ n'etu ụdaume ndị a si abanye na mkpụrụokwu n'asụsụ abụọ a na-atụle.
2. Ọzọ bụ na e nweghị mgbochiume abụọ dị n'Igbo Izugbe n'olumba Nanka. Ha bụ ụda /r/ na ụda /gh/. A na-eji ụda /l/ anọchite ụda /r/ ma were ụda /h/ na-anọchite anya ụda /gh/ n'olumba Nanka. N'ihi na e nweghị ụda /r/ n'olumba, ndị Nanka na-enwe nsogbu ịkpọpụta mkpụrụokwu nwere ụda /r/ mgbe ha na-asụ Igbo Izugbe ma ọ bụ asụsụ ndị ọzọ nwere ụda /r/.
3. N'iga n'ihu, a chọpụtara na mgbochiume dị n'olumba Nanka dị iri abụọ na asatọ n'agbanyeghị na e nweghị ụda /r/ na /gh/ dị ka a rụtụgoro aka n'elu. Ihe kpatara nke a bụ na e nwere mgbochiume abụọ dị n'olumba Nanka na-adịghị n'Igbo Izugbe. Ha bụ ndị a: /β/ [$f^{h}$] na /ɸ/ [wh] dị ka a kọwapụtagoro na ntụcha nchọpụta e mere. Ọ bụ nke a mere na e nwekwara mgbochiume iri abụọ na asatọ n'olumba Nanka.
4. Ọzọ bụ na mgbochiume ndị a, ọ bụ eziokwu na ha dị n'olumba Nanka ma dịkwa n'Igbo Izugbe mana e nwere ndịiche dị n'etu ha sị abanye na mkpụrụokwu. Ha bụ ndị a: /p, b, f, v, s, l, n, j, g, h/.

Ọmụmaatụ:

| Igbo Izugbe | Olumba Nanka |
|---|---|
| pụa/pụọ | fụa/fụọ |
| buru | vuru |
| fee | $f^{h}$ee |
| isi | ishi |
| gaa | jee |
| bilie | binie |
| meghị | mehu |

## 1.9 Aro Nwanchọcha

Site na nchọpụta dị iche iche e mere, nwanchọcha hụtara mkpa ọ dị ichetara ndị nọ n'ọchịchị na ndị ọnụ na-eru n'okwu n'ogo dị iche iche ka ha mata na otu n'ime ihe e bu n'obi wee tinye ha n'ọkwa dị elu bụ ka ha gbaa mbọ hụ na e nwere ezi agamnihu na mmepe dị iche iche n'ime obodo anyị. Site n'akụkọala dị iche iche e nwere taa, otu ụzọ kachasị mkpa agamnihu na mmepe si abata n'obodo ọ bụla bụ site n'asụsụ. Ihe ndị ọcha jiri nọrọ n'ogogo ha nọ taa bụ n'ihi na ha jiri asụsụ ha kpọrọ ihe ma mekwaa ya ka ọ bụrụ iwu na obodo niile nọ n'okpuru ha ga na-amụ ma na-asụkwa asụsụ ha. Ugbu a anya ndị French na China emepeela nke mere na ha amalitela ikuziri ndị mmadụ asụsụ ha tinyere inyere ndị mba ọzọ aka iga njem n'obodo ha ebe a na-asụ naanị asụsụ French na Chainiz iji mụọ asụsụ ndị a nke ọma.
Aro nwanchọcha bụ ndị a:

Ebe ọ bụ na o nweghị obodo ga-aga n'ihu ma ọ bụghị site n'asụsụ ha, o kwesịrị na tupu a na-ahọpụta ndị ọchịchị nnọchite anya n'ogo ọ bụla n'ala Igbo ka a gbaa mbọ hụ na ndị a na-



Scanned with CamScanner

akọputa bụ ndị nwere ezigbo mmasị n'asụsụ a mụnyere ha n'ime ya. Ọzọ bụ ka ndị ọ dị n'aka pụpụta amụma na usoro mmụta n'ogo dị iche iche malite inye ndị nile na-amụ asụsụ Igbo nkwado pụrụ iche, nke a ga-eme kạ ndị na-enweghị mmasị n'asụsụ ha chegharịa. Ọzọ kwa dị ka ihe ya bụ na e kwesịrị ime yạ ka ọ bụrụ iwu na ọgbakọ ọ bụla a na-eme n'ala Igbo ga-abụ asụsụ Igbo ka a ga-eji na-eme ya. Nke a ga-enye aka ime ka olumba bụrụ ihe agaghị anwụ anwụ. N'ikpeazụ, a na-echetara ndị Nanka tụmadị ndị sị na ọ na-eme ha ihere ịsụ olumba ha tinyere ndị sị na ha amaghị asụ ya na ọ bụ arụ mmadụ ịsị na ofe nne ya tere adịghị ụtọ. Chukwu kenyere obodo ọ bụla olumba ha na-asụ adịghị nzuzu. Ya mere ka ndị Nanka nakwa ndị niile asụsụ ha na-eme ihere mara na o nweghị uru ọ bara na mmadụ na-enyere ndị ọzọ aka na-ere ahịa ha (asụsụ ha) ebe ahịa nke ya dọ na-eche onye ga-azụ ya maka na mmiri dọ n'eju dọọrọ nwa nkịta.

## Edensibịa


Anozie, A. C. (1999). *Lingwistiiki Sayensị Asụsụ*. Enugu: Fulladu Publishers.

Benard, C. (2006). *Language*. W. A. Micrisoft Corporation.

Bullon, S. (2003). *Longman Dictionary of Contemporary English*. England: Peason Education.

Crystal, D. (1971). Linguistics. London: Haazell Watson and Viney.

Edwards, A. D. (1976). *Language in Culture and Class*. London: Heinman.

Emenanjo, N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo Izugbe*. Nigeria: Longman.

Ezeumudo, R. M. (1985). *Nchịkọta Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz and Manilas.

Fisher, S. G. (2006). *Dialect* in James Russel Lowel Microsoft, W. A. Microsoft Corporation.

Geddess & Grosset (2006). *Dictionary Thesaurus*. Scotland. Polska Book.

Green, M. M. (1972). *A Descriptive Grammar of Igbo*. Berlin: Akademic – Verlag a.mbtt.

Hocket, (1958). *Dialect in Linguistics*

Hornby, A. S. (1974). *Oxford Advanced Learners' Dictionary*. (Third ed). Oxford University Press.

________ (2000). *Oxford Advanced Learners' Dictionary*. (Sixth ed). Oxford University Press.

Hudson, R. A. (1980). *Sociolinguistics*. Oxford: Cambridge University Press.

Ikekeonwu, C.I. (1985). "Aspects of Igbo Dialectology: A comparative Phonological Study of Onitsha and Central Igbo Dialects". Journal of West African Languages, Vol. XV, 2.

Johnson, S. (1979). *A Dictionary of English Language*. London: Times Books.

Kiu, V. R., Rodman, C. & Blair, D. (1988). *Introduction to Language*. Sidney Holt Rinchart and Winster.

Ngoesi, M. C. (2000). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ Nke Asụsụ Igbo*. Nkpor: Optimal Press.

Ogbalu, F. C. (1967). *Standard Igbo Path to Its Development*. Onitsha: Varsity Press.

Olaoye, A. A. (2002). *Introduction to Sociolinguistics*. Kaduna: Mafolayomi Press.

Oruchalu, S. U. (1987). *Fundamentals of Igbo Spelling*. Benin City: Festa Printing Press.

Simons, G.F., Fennig, C.D. (eds.) (2018). *Ethnologue: Languages of the World. Twenthy-first edition.Dallas*, Texas: SIL International. Online version: http://www.ethonologue.com.

Ward, I. C. (1941). *Igbo Dialect and the Development of a Common Language in Igbo Language Education*. Obosi: Pacific Publishers.

West, M. (1981). *The New English Dictionary*. Great Britain: Longman.

Williamson, K. (1965). A Grammar of the Kokoluma Dialect of Ịjọ (West African Language Monograph Series, 2) vii, Cambridge: University Press.

Yule, G. (1996). *The Study of Language.* Cambridge: Cambridge University Press.

Scanned with CamScanner



# TRAIL-BLAZING DISCOURSES ON LINGUISTICS AND IGBO

## A Festschrift

in Honour of a First Class Scholar

**PROFESSOR GABRIELLA I. Nwaozuzu**



EDITED BY:

Nkechinyere Nwokoye
Ogbonna Onuoha
Longinus Chinagorom

Scanned with CamScanner